# NDỤMỌDỤ BARAURÙ NYE NDỊKRAIST

**Ndi Rom 13:1-14; 14:1-23; 15:1-33**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 388**

**Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Nihi na ọ digh onye ọ bula n'etiti ayi nke di ndu n'ebe ya onwe-ya nọ, ọ digh kwa onye ọ bula nwuru anwu n'ebe ya onwe-ya nọ" (Ndi Rom 14:7).**

**OnyeKraist**

Na mbụ, ka anyị kọwa onye bụ OnyeKraist. "Akwụkwọ náakọwa okwu naagwa anyị na ọ bụ onye kwereekwe … na Jisọs na eziokwu dịka Ọ kụziri ya. Anaakpọ obodo United States obodo NdịKraist, ma n'ezie ọ bụghị mmadụ niile bi n'ebe ahụ bụ NdịKraist. OnyeKraist bụ oyiri Kraist, anaele kwa ya anya ime omume n'ụdị kwesịrị OnyeKraist. Ọ naeyi Kraist n'agwa, mmụọ, na omume ya.

Eburu ụzọ kpọọ ndị náesoụzọ Ya "Ndi-Kristian" n'Antiọk, mgbe Kraist rigosiworo n'Eluigwe. N'akwụkwọ Bunyan anaakpọ "Pilgrim's Progress," onye mmeri ahụ ka akpọrọ "Christian," anyị naechetakwa na ọ bụ ya bụ nwoke chọpụtara na ya bu ibu dị arọ; ma mgbe ọ jụrụ ajụjụ, "Gịnị ka m'gaeme ka ewee zọpụtam?" otù nwoke aha ya bụ "Onyemkwusanjègharị" (Evangelist) tụziri ya aka isoro otù ìhè náenwu n'ebe dị anya. Agwara ya sị, "Legide ìhè ahụ anya," na ọ ghaghị kwa ijéru otù "ọnụụzọ ntà." Ndị èzínaụlọ ya mailtere ịkpọ ya òkù ka ọ naapụ, ma Christian "mechiri aka ná ntị ya abụọ, náagbakwa ọsọ, náetimkpu sị, **'Ndụ!** ndụ! ndụ ebighịebi!'

Ndụ ebighịebi bụ olileanya nke onye ọ bụla náaza Kristian. Nke ahụ mere na anyị aghaghị ileru ndụ na omume anyị anya kwa ụbọchị -- anyị achọghị ịtụfu olileanya anyị. Nke ahụ mere Pọl ji dee ebeọgụgụ ndịa nwere ndụmọdụ zuruòkè nye ndị nọ n'oge nke ya, na anyị onweanyị kwa.

**Otú Agaesi Bụrụ OnyeKraist.**

Onyemmehie dị nnọọ iche site n'onye bụ OnyeKraist. Mgbe onyemmehie nwere amamikpe nke mmehie ya mata kwa na ya bụ onye ikpe mara, na mkpụrụobi furuefu n'iru Chineke, ọ ghaghị ịchègharị site ná mmehie ya niile, kwupụtara ha Chineke. Chineke bụ "Onye nēnyeghachi ndi nāchọ Ya ugwọ-ọlụ" (Ndi Hibru 11:6). "Ọbara Jisus (Kriast), bú Ọkpara-Ya nāsachapu kwa ayi nmehie nile" (Jọn 1:7).

**Ndụmọdụ Nke Pọl**

Ugbu a anyị mataworo onye bụ OnyeKraist na otú mmadụ nwereike isi bụrụ ya, ka anyị mụọ ihe banyere ndụmọdụ niile dị n'isi ebeọgụgụ anyị. Nrubeisi bụ otù nime ọlụ mbụ nke OnyeKraist -- ụmụ kwesịrị irubere ndị mụrụ ha, ndịnkụzi ha, ndịisi ụlọakwụkwọ ha, na ndịnlekọta ha niile isi, náání ma ihe agwara ha o megidere Okwu Chineke. Mmadụ niile kwesịrị irubere ndị uweoji isi nye kwa ha nsọpụrụ ruuru ha. Iwu maka otú esi aga n'okporoụzọ bụ maka nchebe nke ndị bi n'obodo ekwesịkwara iwere ezi nleruanya debezue ha, nkekanke ndị kpọrọ onweha NdịKraist kwesịrị ime nke a.

"Unu ejile onye ọ bula ugwọ ọ bula, ma-ọbugh ihurita onwe-unu n'anya" -- ụgwọ ekwesịrị ịnaakwụ mgbe niile. Ịhụn'anya naenwe ọñụ n'ime ihe gaatọ mmadụ ụtọ; ọbụná ọ naamụ otú ọ gaesi nyere ndịọzọ aka meekwa ka ha nwee obiụtọ. Ịkpacharaanya mee mmadụ ihe gaewute ya bụ mmụọ nke onyemmehie, ọ bụghị nke OnyeKraist. Ekworo, ịlụọgụ, na inwe obiilu megide onyeọzọ bụ ihe naetopụta site n'ịkpọasị, ọ bụghị nlụpụta nke ịhụn'anya. "Ịhụ-n'anya adigh-alu ọlu ọjọ n'ebe onye-agbata-obi-ya nọ." Nwata nwoke maọbụ nwanyị ọ bụla nke náekwosa nwata ibe ya ekworo n'ihi ohere dị icheiche o nwere nime Oziọma, n'ịkpọụbọ maọbụ ịbụabụ kwesịrị inyocha obi ya chọọ kwa Chineke maka mgbaghara.

**Ihe Kachasị Mkpà**

Ụfọdụ ndị Juu, mgbe Kraist nọ n'ụwa, naeleruanya nkeọma banyere ihe ha naeri, ha naekwugide kwa ndịọzọ náadịghị eleruanya otú ahụ. Ọbụná ugbu a, ọ dị okpukpé dị icheiche naasị mmadụ erila anụ maọbụ iheoriri ọzọ dị icheiche. Ma Jisọs kụziri anyị: "Ọ bugh ihe nāba n'ọnu nēmeru madu; kama ihe si n'ọnu puta, ọ bu nke ahu nēmeru madu" (Matiu 15:11). "N'ihi na n'ime, bú n'obi madu, échìchè nile jọrọ njọ si aputa, ikwa-iko nile ori nile, igbu madu nile, ikwa-iko nile nke ndikom nwere nwunye na ndinyom nwere di, anya-uku nile, ajọ ihe nile, aghughọ, agu ikwa-iko, ajọ anya, nkwulu, mpako, enwegh-uche: ajọ ihe ndia nile nēsi nime madu aputa, ha nēmeru madu" (Mak 7:21-23). Ya mere anyị gaamụta site na nke a na okwu niile anyị naekwu na ndụ anyị naebi dị óké mkpà. "Kari ihe-ndebe-gi nile chebe obi-gi; n'ihi na site na ya ka nputa nile nke ndu di" (Ilu 4:23).

**Ịnọ Nánjikere**

Pọl naagwa ụmụmmadụ nke oge ya na abalị nke ihe ọjọọ nke ụwa nke a ejimiwo; chiọbụbọ nke mmeri dị nso. Lee otú ọ dị anyị nso ugbu a karịa! “Yipu ọlu nile nke ọchichiri, ma. … yikwasi ihe-agha nke ìhè.” “Iheagha” ahu ka akọwara ná Ndi Efesọs 6, mpekere dị icheiche nke iheagha ahụ ka akpọrọ aha dịka Eziokwu, Eziomume, Udo, Okwukwe, Nzọpụta, na Mmaagha nke Mmụọ Nsọ, bụ Okwu Chineke.

“Ayi nile gēguzo n’iru ochie-ikpé Chineke (Kraist).” “Onye ọ bula n’etiti ayi gāza ajuju banyere onwe-ya nye Chineke.” Ya mere ọ dịghị mkpà ka anyị mee onweanyị ndịikpé nke ndịọzọ. Otù OnyeKraist nwereike bụrụ onye ike náadịghị dịka onye nkeọzọ; eleghịanya okwukwe ya esighịike iburu ya gafee nsogbu ntakịrị dị icheiche. Ndị dị ike n’okwukwe ka agwara na ha “aghagh ibu adigh-ike nile nke ndi nēnwegh ike,” ọ bụghị ime ihe gaatọ onweha ụtọ. Kraist nwụrụ n’ihi mmadụ niile, ọbụná nwanna nke bụ ogbenye na onye náadịghịike karịsịa, apụghị ịkọwazu ịdịmkpà nke mkpụrụobi ya. “Kraist-ayi emegh kwa ihe tọrọ Onwe-ya utọ” (Ndi Rom 15:3). Ya mere, ọ bụrụ na mmadụ nwere obiabụọ banyere ihe ọ bụla nke ọ naeme nke nwereike iwetara nwanna ya iheịman’ọnya, o kwesịrị ịrapụ ime ya. O kwesịrị ịjụ onweya sị, “Òlee otú ọ gaesi metụta mkpụrụobi nwannam?” Ọ dịghị onye kwesịrị ikwu dịka Ken kwuru sị “Ọ̀ bu onye-nche nwa-nnem ka m’bu?” Onye ọ bụla kwesịrị ime ihe niile ọ pụrụ ime inyere nwanna ya aka ka o keta ndụ ebighịebi.

**“Ndị Kristian Náezughị òkè”**

Ọtụtụ mmadụ dị n’ụwa taa ndị náanụọkụ nye Onyenweanyị. Ha nwereike náalụsịọlụ ike n’ụlọ chọọchị, jikere ịgọnarị onweya, ha nwekwara ike náebi ezi ndụ. Ma náání ma mmadụ nwere ezi ịhụn’anya nke Chineke nime obi ya -- ịhụn’anya nye Chineke na ịhụn’anya nye nwanna ya -- o rughịeru n’ogo nke OnyeKraist. Ụfọdụ nwereike náachọsi nsọpụrụ na otuto nke mmadụ ike karịa mkpụrụobi ụmụmmadụ. Jọn Wesley kpọrọ ndị dị otú ahụ “ndi-Kristian náezughịòkè,” kama n’ezie, ihe dịrị mmadụ bụ ịbụ OnyeKraist maọbụ ya abụrụ onyemmehie.

Ka anyị niile náaza “Kristian” náecheta mgbe niile na onye bụ Kristian bụ onye yiri Kraist. O kwesịrị ịbụ ekpere na ọchịchọ anyị kwa ụbọchị ịdị ka Kraist n’ihe niile anyị naeme maọbụ nke anyị naekwu.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 Nye nkọwa nke okwu ahụ bụ́ “Kristian.”
2 Òlee ụdị ndụ OnyeKraist naebi?
3 Gịnị bụ ndụmọdụ Pọl nye NdịKraist banyere ịhụn’anya?
4 Òlee otú ụwa pụrụ isi mata ihe dị iche n’OnyeKraist na onyemmehie?
5 Òlee ebe ajọ échìchè, mpako, aghụghọ, omume ọjọọ niile si apụta?
6 Gịnị mere o ji dị mkpà ka anaagụ Okwu ahụ náekpe kwa ekpere?
7 Gịnị ka “ihe-agha” pụtara?
8 Gịnị ka Pọl kwuru banyere mmadụ ikpé onyeọzọ ikpe?
9 Gịnị bụ olileanya OnyeKraist ọ bụla?